# EKWEGHỊEKWE NKE MMADỤ BANYERE ỌBỊBỊA NKE KRAIST

**2 Pita 3:1-18.**

**IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 456**

**Nke Ndịokenye**

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Onye ihe nāgara nke-ọma ka madu ahu bu nke nējegh ijè na ndum-ọdu ndi nēmebi iwu, Nke nēguzogh kwa n'uzọ ndi nmehie, Nke nānọgh kwa n'ọnọdu ndi nākwa emò" (Abù Ọma 1:1).**

**I Ọbịbịa nke Onyenwanyị ka ndị Náakwaemò Gọnarịworo**

1. Ihe Pita bu n'uche bụ ịkpali uche nke NdịKraist site n'ichétara ha ihe, 2 Pita 3:1, 2; 1:12.
2. Ndịọchị, n'ịga dịka agụụ ihe ọjọọ nke aka ha si dị, náasị "Òle ebe nkwa nke ọbịbịa Ya dị"? 2 Pita 3:3, 4; Abù Ọma 73:11; I Ndị Kọrint 1:21.
3. Ha rọọrọ ịnọgide náamaghị ihe banyere òkìkè ụwa na mbibi ya nime ijummiri ahụ site n'Okwu nke Chineke, 2 Pita 3:5, 6; Ndi-Hibru 11:3.

**II Ụwa nke Dị Ugbu a ka Akwadoworo nye Ikpé**

1. Ụwa ahụ nke laran'iyi n'ijummiri ahụ site n'Okwu Ya, gaala kwa n'iyi n'ọkụ site n'otù Okwu ahụ. 2 Pita 3:7; 2:5.
2. Mkwà Ya niile aghaghị iguzo, onye otù puku arọ dị ka otù ụbọchị n'anya Ya, 2 Pita 3:8, 9; Abù Ọma 90:4; Aisaia 40:8.
3. Ụbọchị nke Onyenweanyị gaabịa dịka onyeori n'abalị mgbe agaebibi eluigwe na ụwa, 2 Pita 3:10; 1 Ndi Tesalọnaika 5:2 3; Nkpughe 6:14; 16:15.

**III Mkpà Ọ Dị Ijikere maka Ụbọchị nke Onyenweanyị**

1. Ndị kwereekwe, ebe ha matara na ihe ndịa aghaghị imezu kwesịrị ijégharị n'ịdịnsọ, 2 Pita 3:11, 12; Matiu 24:35.
2. Olileanya maka eluigwe ọhụụ na ụwa ọhụụ kwesịrị ịkpali anyị ịnụọkụ n'obi, 2 Pita 3:13, 14; Aisaia 65:17; 66:22; Nkpughe 21:1.
3. Ọ dị mkpà ịghọta ihe niile nke Chineke wee náeto kwa etó n'amara, 2 Pita 3:15-18; 1:10, 11; 2 Timọti 2:15.

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

**Ịkpali Uche Ha**

Nime Akwụkwọozi nke abụọ nke Pita o wepụtara ihe dị iche site n'ebe obi dị ọcha nke ndị kwereekwe nọ na n'ebe obi rereure nke egosipụtara n'isi okwu nke ikpeazụ nọ. Ọ naechetara ha amụma dị icheiche nke ndịamụma ahụ dịnsọ nime Àgba Ochie buru, ịkọwa ha na iji ha náeme ihe. N'ihe ndịa ka ọ naatụkwasị iwu nke Ndịozi ahụ nke Onyenweanyị na Onyenzọpụta anyị.

**Ndịọchị na Mgbe Ikpeazụ Ndịa**

Mgbe ikpeazụ ahụ nke Pita kwuru ihe banyere ya naatụaka nye ọgwụgwụ nke ọgbọ dị ugbu a maọbụ oge a. Ndịọchị, naewere ihe naatọ ha ụtọ dịka ihe bụ náánị iwu nke ha nwere, ha ekweghị ka Okwu Chineke maọbụ amụma niile dị nime ya gbochie ha ime ụdị ihe ahụ naatọ ha ụtọ. Dịka Onyeozi ahụ buru n'amụma, enwere ndị nọ n'ụbọchị taa, igwemmadụ ndị nwere obi "ihe-ọmụma," n'ụzọ ụgha. Nime nghọta ha na n'amamihe nke ụwa, ha ajụwo ajụjụ ahụ nke Pita ji mara ha, "Òlee ebe nkwa ọbịbịa Ya dị?" Ha naakọwapụta na ịchụso ihe niile nke ụwa ya na ọnọdụ nke ihe niile ekerèèkè nọ náaga n'iru dịka ha dị site n'oge nna ha. Mgbe ọkọchị na mgbe oyi naabịa náagabiga kwa; ọtụtụ ezinaụlọ dị icheiche ka anaamụ, ha naanwụ kwa; oge wee náaga kwa n'iru.

Ụmụmmadụ ndị sitere na nganga rọrọ ekwenyeghị ekwenye na ọchịchọ nke mmebiiwu naeweli òkìkè na iwu niile nke òkìkè elu dịka ha naakpọ ya karịa Chineke nke òkìkè na mkpughe Ya. Onyemmehie matara na Akwụkwọnsọ naakụzi na Kraist naabịa ọzọ; ma ịrụụka ya bụ na oge na ihe niile nke mere na mgbe

garaaga ịdịgide otú ha dị na mbụ naegosi na ọ dịghị ihe ọzọ gaapụta n'ọdịn'iru imegide ihe ndị dịwororị adị. Ha naekwenye na ihe niile naadịgide dịka ha dịworo site ná mmalite, na ụwa a ganaaga kwa n'iru ná enweghị njedebe, eleghịanya rue ọtụtụ ndè arọ dịka ọ dị n'ụbọchị taa. Ma nime òzízí a dị otú a ọ dịghị ohere ọ bụla ahụrụ nye òzízí na mkwà niile nke dị n'Okwu Chineke. Ekweghịekwe nke dị otú a gaabụworị mmehie nke ndị ahụ nọ n'oge nke Noa. Ụmà dị otú a bụ ihe agbaraàmà ya n'isiokwu a.

**Ịrọrọ Ịnọgide Náamaghị Ihe**

Pita naagwa anyị na ha rọọrọ ịnọgide náamaghị ihe. Ọ dịghị onye kpuruisi karịa onye ahụ nke náachọghị ịhụụzọ. Anyị onweanyị bụ́ ndị kwereekwe naagụta nime Okwu ahụ, "Site n'okwukwe (ọ bụghị n'iheọmụma) ka anyị ji ghọta na ewerewo okwu Chineke dozie uwa nile" (Ndi-Hibru 11:3). "Chineke we sị, ka ìhè dị: ìhè we dị." Ọzọ site kwa n'otù Okwu Ya ahụ ụwa ahụ nke Chineke kèrè lara n'iyi site n'ijummiri. Ọ bụ ihe dị mfé na ndị mmadụ n'oge Noa gaechèworị na ebe ọ́ dịbeghị mgbe ọ bụla ijummiri dịrị, ihe niile naadịgide kwa otú ha dị rue n'ụbọchị ha, ịdọakanántị nke Noa nye ha, ka ọ naalụ ụgbọ ahụ bụ ihe ịkwaemò n'ebe ha nọ. N'otùaka ahụ ụwa a nke dị ugbu a bụ ihe "akwadoworo nye ọkụ site n'otù okwu ahụ ebe anēdebe ha nye ụbọchị nke ikpe" (2 Pita 3:7). Ọ bụ eziokwu na mbibi a nke gaadị site n'ọkụ agaghị adị rue ihe karịrị otù puku arọ, n'ihi na ọ gaadị ná mmechi nke Ọchịchị nke otù puku arọ ahụ.

**Oge nke Chineke na Oge nke Mmadụ**

Pita gwara anyị n'amaokwu nke asatọ na n'ebe Chineke nọ otù puku arọ dị ka otù ụbọchị na otù ụbọchị dị kwa ka otù puku arọ. Enyere onye ahụ kwereekwe iwu ka ọ gbanarị amaghị ihe nke iwere iheọ̀tụ̀tụ̀ nke mmadụ tụnyere ihe nke Chineke. Nke a bụ ndahie nke ndị ọchị nke ụbọchị ikpeazụ́ ndịa naeme. Onyenweanyị adịghị anọ ọdụ n'idebe oge nke ihe Ọ kàràákà, oge adịghị aganarị kwa ya. Ọtụtụ mgbe mmadụ adịghị eme ihe n'oge n'oge o kwesịrị. Ihe ahụ nke náadị ka ọ bụ ịnọọdụ n'anya mmadụ bụ ogologo ntachịobi naebere. Ọ chọghị ka onye ọ bụla laa n'iyi, kama Ọ chọrọ ka mmadụ niile bịarue nchègharị. Ọ rapụwo ụwa nke mmehie juru nime ya inye ya ohere ichègharị. Ya mere onye dere Abù Ọma 106:1).

**Ụbọchị nke Onyenweanyị**

Ụbọchị nke Onyenweanyị naabịa dịka ihe anaatụghị anya ya nye ndị ọchị. Aga anapụ ha ịrụụka ha niile nke ha ji náekwu na site na mgbe nna ha dara n'ụra ọnwụ, na ihe niile naadịgide dịka ha dịworo site ná mmalite nke òkìkè. Ekwuwo ihe banyere Ụbọchị Onyenweanyị n'Akwụkwọ Aisaia 2:10-22 na Nkpughe 19:11-21. Ụbọchị a abụghị ihe achịkọtara nye otù ụbọchị bụ́ nke nwere náánị hour iri abụọ na anọ, kama ọ bụ oge ahụ mgbe Onyenweanyị gaekpé ụwa na ndị bi nime ya ikpé. N'oge akaraaka nke Chineke ikpé ndịa a gaewere ọnọdụ. Ná njedebe, eluigwe gaeji óké ùzù gabiga; ebe ha naagba ọkụ ha niile gaagbaze, ihe niile dị n'eluigwe gaeji óké ọkụ gbazee laa n'iyi. Ụwa na ọlụ niile nke alụrụ nime ya gaerechapụ kwa n'ọkụ. Ụwa nke a nke emerụbigara ókè site ná mmehie gaagabiga. (Lee kwa Matiu 24:35).

**Ọlụ nke dị rị Iheọmụma**

Onyeozi ahụ site n'ihe ọ matara banyere ihe ndị ahụ nke gaje imezu naajụ sị "Ọ bu aha madu gini ka unu nāghagh ibu" n'ibiobi dịnsọ na ịmata mgbe ọ bụla na Chineke nọ nsọ, wee tụkwasị kwa Ya obi? N'ịnọgide na nche mgbe niile náechere kwa ọbịbịa nke ụbọchị Chineke, anyị adịghị ebin'egwù, kama n'olileanya nke OnyeKraist. Anyị adịghị ekwu sị "Òlee otù ndia gaesi mee?" Site na mgbe atọmic bọmbụ mbụ gbawara, ọgbọ a pụrụ ịhụ nkeọma ghọta kwa na ọ dịrị Chineke mfé ime ka okwu amụma a mezue. Ọtụtụ ihe ekereeke agbazeworị n'óké ọkụ n'ebe ahụ enwere ụdị ùzù mgbawa a. Ọkụ na ùzù abụrụwo óké iheegwù nye ndị bi n'akụkụ ebe ahụ niile, óké ọmajijiji nke sitere na ya akwadawo kwa ihe ọ bụla nke nọ n'ụzọ ya.

**Eluigwe Ọhụụ na Ụwa Ọhụụ**

Dịka ihe ịgbàume nye ndị ahụ náebi ndụ nke ịsọpụrụ Chineke anyị nwere mkwà nke eluigwe ọhụụ na ụwa ọhụụ ebe eziomume bi nime ya. (Lee Aisaia 65:17; 66:22; Nkpughe 21:1). Gịnị mere ọ gaeji bụrụ ihe mgbagwojuanya ma ọbụ yie ihe dị ike na Chineke gaeke eluigwe ọhụụ na ụwa ọhụụ ebe Ọ bụ Ya kèrè ndịa nke dị ugbu a? Nkpughe 21:5 naagwa anyị sị, "Le anameme ihe nile ka ha di ọhu." Nke a pụrụ ịkpali OnyeKraist ọ bụla ịdị náejéijè n'iru Onyenweanyị n'ịdịnsọ na n'eziomume ụbọchị ndụ ya niile, na ijisiike ka ewee chọta ya n'iru Ya n'udo, naenweghị ntụpọ, na kwa ịtaụta. Nke a abụghị náánị ka o wee keta òkè n'óké Ọchịchị nke Otù Puku arọ ahụ nke ya na Jisọs gaachị, kama ịbụ kwa onye agaenye oghere zuruókè ịbanye nime "Jerusalem Ọhụ" ahụ mgbe ọchịchị nke Otù Puku arọ ahụ gasịrị, ma jee kwa ijè n'okporoụzọ nke ámá ọlaedo ahụ dịka Jọn Onyeozi mgbe ochie jere.

**Akwụkwọozi niile nke Pọl nwere Mkwagide**

Ogologo ntachịobi nke Onyenweanyị nwere bụ maka nzọpụta nke ndị ahụ agaje ịchịkọbata nime Nzukọ Chineke. Ma otú ọ dị ọnụọgụgụ nke mkpụrụobi nke ndị náabata nime ụwa riri nne nke ukwu karịa mkpụrụobi ndị naabịakwute Kraist, nke mere na ịtụfu oge ọ bụla nke enyere gaapụta na agaatụfu ọtụtụ mkpụrụobi karịa ịzọpụta ọtụtụ mmadụ. Ya mere, ka anyị lụaọlụ n'ihi na n'ezie abalị naabịa.

Pita n'ebe a naakwagide nkeọma okwu ndị ahụ nke Pọl Onyeozi kwuru dịka ihe mmụọ Chineke kpaliri site n'amamihe nke sitere na Chineke. Ọ gwara anyị na ya nwere mkwekọrịta zuruókè n'ihe odide ahụ nke Pọl dere nke isiokwu ya bụ ọbịbịa nke Onyenweanyị. Pita naakọwa na akwụkwọozi nke Pọl dere nwere ihe ụfọdụ nke dị ike ịghọta nime ya. Ndịamụma na ndị dere ihe n'akwụkwọnsọ hụrụ ihe gaeme mgbe ha náemebeghị, mgbe ụfọdụ kwa, ha lefereanya hú ọtụtụ ihe nke gaeme n'gbata ihe ndịa tutu erue mmezu nke ihe ahụ niile nke atụrụanya ha. Nke a nyere anyị ntọala banyere ụkpụrụ ahụ nke ịkọwa iheedere n'Akwụkwọnsọ, nke bụ iwere ihe ahụ edere n'Akwụkwọnsọ kọwaa ihe edere n'Akwụkwọnsọ; anyị aghaghị iwere ihe niile nke Chineke kpughere na ha bụ uche Ya na atụmatụ Ya, ka anyị wee nwee ike ịkọwazuo Okwu nke Eziokwu ahụ. Pita naagwa anyị na ndị anaezighị ihe maọbụ ndị kpuruìsì nime imemmụọ, na ndị náadịghị eguzosiike maọbụ ndị náagbanwe agbanwe, na aghagbu -- iwepụ ya n'ọnọdụ ya -- ihe ahụ edere n'Akwụkwọnsọ nke pụrụ iwetara ha nzọpụta ma ọ bụrụ na erubeisi na ha. Site nánghagbu nke ha naaghagbu okwu Chienke ha naewetara onweha mbibi. Nke a bụ ịdọakanánti dị ukwu. Mgbe ọ naekwu ihe banyere ihe ndịọzọ edere n'Akwụkwọnsọ nke ha naemeso n'otù ụdị ahụ, ọ naewere ihe ndepụta niile nke Pọl dịka ihe anaraworo ịbụ ihe odide nke Testament Ọhụụ nke Akwụkwọnsọ nime nzukọ nke Ndị Hibru a.

**Itóétó N'Amara**

N'ịchịkọta ihe isiokwu a pụtara nke anaatụle banyere ihe egwù nke dị nime ekweghekwe na Kraist gaje ịbịa ọzọ. Pita naarịọ ndị kwereekwe ka ha were amamihe ha nwere n'ihe nke Chineke lezieanya ka aghara iwere nchépụta nke mmadụ (nke ọ kpọrọ njehie nke ndị náemebiiwu) duhie ha, ha wee dapụ site n'ọnọdụ amara ha. Nke a gaabụ ime mmehie megide ìhè.

N'ụzọ ọzọ, ọ dụrụ ha ọdụ ka ha náeto maọbụ ná abaụba n'amara na n'ọmụma nke Onyenweanyị na Onyenzọpụta anyị, Jisọs Kraist. Nke a naemegide ịdapụ n'okwukwe. Ọmụma nke Chineke bụ ihe náemegide ekweghịekwe. Otù onyeozi n'oge ochie sịrị na n'oge agadị, amara naeweta itozuòkè, ọ bụghị ireure; ịgan'iru, ọ bụghị ịlaghachiàzụ; izuókè, ọbụghị enweghị nleruanya. Anyị naaga site n'ike banye n'ike. Ewezuga amara ọ dịghị onye gaamata ihe bú nzọpụta. Mmadụ naachọkarị itò onweha nime amamihe nke ụwa nke o nwere, ma Pita naenye Kraist otuto niile, ma ugbu a na mgbe ebighiebi.

## AJỤJỤ DỊ ICHEICHE

1. Òlee oge anaekwu ihe banyere ya nime amaokwu nke atọ?
2. Gịnị bụ isiokwu nke ndịọchị ahụ?
3. Gịnị bụ eziokwu ahụ nke ndịọchị ahụ náamaghị?
4. N'ihi gịnị ka ọbịbịa nke Onyenweanyị ji naanọọdụ?
5. Kpọọ aha ụfọdụ ihe nke gaeme n'ụbọchị nke Onyenweanyị.
6. Gịnị kwesịrị ịbụ omume nke ndị ahụ kwereekwe bú ndị maara ihe banyere ụbọchị nke Onyenweanyị?
7. Gịnị bụ olileanya ahụ nke edebere n'iru ndị kwereekwe?
8. Gịnị bụ ịdọakanántị na ndụmọdụ nke Pita jiri mechie Akwụkwọozi a?